# Ihe Ndị Ga-enyere Gị Aka Ịmụta Asụsụ Ọzọ

## 1 NWEE IHE I BU N'OBI

*"Detuo ihe ndị mere i ji na-amụ asụsụ ọzọ, nke ọ ga-abụ ike gwụwa gị, gị agụọ ya."—Serina.*

**Olee asụsụ ị ga-achọ ịmụta, gịnịkwa mere i ji chọọ ịmụta ya?**




## 2 NWEE ONYE GA NA-ENYERE GỊ AKA

*"Mgbe m na-amụ asụsụ Spanish, m nwere ndị na-enyere m aka. Ha niile na-amụkwa asụsụ ahụ. Anyị na-enyere ibe anyị aka. M na-ajụ ha ihe ndị na-esiri ha ike na otú ha si emeri ihe ndị ahụ."—Helena.*

**Dee aha ụfọdụ ndị i nwere ike ịgwa ka ha nyere gị aka ma o siwe ike.**




**"Ị gaghị amụtali asụsụ ị na-amụ nke ọma ma ọ bụrụ na ị gbasịghị mbọ ike."—Christopher.**



www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

# 3 ADALA MBÀ



*“Mgbe ụfọdụ, ya adị ka ì ghọọla aka ochie, n’oge ọzọ ya adị gị ka ì bụ iti bọrịbọ.”—Vivian.*

**Olee obere ihe ndị ị ga-amụtali ọsọ ọsọ n’asụsụ ahụ, nke ga-emekwa ka ike ghara ịgwụ gị imụ asụsụ ahụ?**

**“Ike agwụla gị ma ọ bụrụ na ndị ọzọ na-amụta ya ngwa ngwa karịa gị. Mmadụ niile abụghị otu.” —Thomas.**

# 4 NA-AMỤ YA KWA ỤBỌCHỊ

**Dee awa ole ị ga-eji na-amụ asụsụ ọhụrụ ahụ kwa ụbọchị.**


*“Ọ bụrụ na ị na-agbasị mbọ ike, ị ga-amụta ya ngwa ngwa. Ma, ọ bụrụ na i jighị ya kpọrọ ihe, ị gaghị amụta ya ngwa ngwa.” —Danielle.*

| Mọnde | Tuzdee | Wenezdee | Tọzdee | Fraịdee | Satọdee | Sọnde |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | | | | | | |



www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

# 5 MỤTA OMENALA NDỊ EBE AHỤ



Gịnị ka i nwere ike ime ka ị mụta omenala ndị ị na-amụ asụsụ ha?

*“M na-agbalị ịmụta ihe gbasara ndị ahụ m na-amụ asụsụ ha. M na-ahụ otú ha si eme ihe ụfọdụ, na-eri nri ha, na-egekwa egwú ha. Ihe ya na ịmụ asụsụ so aga karịrị ịmụ asụsụ ahụ n’onwe ya.”—Alexis.*

# 6 GATỤ N’OBODO AHỤ

*“Anyị gara obodo Chili nọọ ọnwa asatọ, o mere ka anyị mụta asụsụ Spanish n’egbughị oge, n’ihi na ọ bụ ihe ndị mmadụ na-asụrụ anyị kwa ụbọchị.”—Natasha.*

Kanye ihe ná mpaghara ụwa ebe ị ga-achọ ịga.



Ma ị ga-agali obodo ọzọ ma ọ bụ na ị gaghị agali, olee ebe i nwere ike ịhụ ndị na-asụ asụsụ ahụ ị na-amụ?

**“Wepụta oge na-agụ, na-ede, na-asụ, ma na-ege asụsụ ahụ ị na-amụ. Ime ihe anọ ndị a ga-enyere gị aka ịmụta ya nke ọma.” —Allison.**



www.jw.org © 2016 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania